*Nsukka Journal of the Humanities Vol. 27, No. 2, 2019, pp. 39 – 47*

# Adịmire Usoro Nkụzi Mkparịta Na Nke Ọdinala Na Mmetadebe Ụmụ Akwụkwọ Sekọndịrị N' Ụtọ Asụsụ Igbo Na Zoon Mmụta Ubolo.

**Roseline I. Eze & Uju C. Umo**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka.

**Ụmị**

Nchọcha a bụ iji chọpụta ire usoro nkụzi mkpakọrịta (UNM) dị na mmetadebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ideta ụtọasụsụ Igbo na mpaghara Zonu edukeshọnụ Ubolo. Usoro nkụzi abụọ e ji mee nchọpụta bụ usoro nkụzi mkparịta maka ndị nchọpụta nakwa usoro nkụzi ọdịnala maka ndị otu ejighi eme nchọpụta(ntunyere) E ji usoro ihe omume "nchọ n'usoro" mee nchọcha a nke metụtara klasi abụọ dịkọrọ ọnụ. A gbadoro ụkwụ n'ihe omume tupu na ndịmecha nnwale mee nchọcha a. E ji tụmbọm tụmbọm họpụta ọnụ ọgụ ụmụ akwụkwọ dị otu narị, iri abụọ na ise n'ụlọ akwụkwọ gọvmentị dị na Zonu Edukeshọnụ Ubolo, Steti Enugwu, Naịjirịa. E nyere ndị e jiri mee ihe omume nchọpụta ule tupu na mbido nchọcha a, nakwa ule ndịmecha mgbe a kụzichara ha i ji chọpụta mmetadebe ha n'ụtọasụsụ Igbo. Otu ajụjụ nchọcha na otu ụma okwu nchọcha, bụ nke e guzobere maka ya bụ ọrụ nchọcha. Ngwaa nchọcha e ji kpokọta data bụ Nzata ule ụtọasụsụ Igbo (NUUI) nke dị ajụjụ iri abụọ (20) n'ọnụ ọgụ. Ndị nkuzi ise nọ na ngalaba asụsụ Igbo, edukeshọnụ nka nakwa "mgbakọ na ịtụcha" nyochara, ma kpebie na ya bụ ngwa nchọ dabara na nchọcha e ji ya eme.Nchịkọta ihe omume tupu na ihe omume mmecha nyere akara ntụkwasị obi dị elu. Usoro nhazi data bụ nke e ji miin na ndịpụ n'izugbe mee maka ajụjụ nchọcha, ebe a gbakọrọ ụma okwu nchọcha n'akara mgbamonwe ntụcha mgbanwerita . Mpụtara ihe a chọpụtara gosiri na usoro nkụzi mkparịta (UNM) na-akwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọ asụsụ Igbo. Ndị a kụziri n'usoro nkụzi mkparịta (UNM) metara nke ọma n'ule karịa ndị a kụziri n'usoro nkụzi ọdịnala.. Mkpebi nchọcha a bụ na ndị gọvmentị ga-agba mbọ ikpọkọ ọgbakọ na semina ndị nkụzi asụsụ Igbo ebe a ga- enwe ohere ikụziri ndị ha ụzọ kacha mma itinye ya bụ usoro nkụzi n'ọrụ mgbe a na akụzi ụtọ asụsụ Igbo.

**Igodo Isi okwu:** Mkpakọrita, Mmeta nke ọma, Sekọndịri, Ụtọ asụsụ Igbo

## Mkpọlite

Asụsụ gbara nnukwu mgbọrọgwụ dị ka ụzọ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Naanị mmadụ nwere asụsụ maka na ọ bụ ya bụ sọọsọ ihe Chukwu kere nwere ike ikwu okwu ma chee echiche

gbasara ihe nke ndụ. Asụsụ bụ nnukwu ihe na-egosi ndịmiche dị n'agbụrụ mmadụ na nke anụmanụ (Vathan 2014). Nke a gosiri na asụsụ dị mkpa maka ịmata ụzọ ikwukọrịta na mgbasa ozi .Ogbodo (2002) kọwara na asụsụ na-eweta udo ma na-ebutekwa agha. Nke a bụ maka na asụsụ bụ njikọ, iwulite omenala mba ọ bụla. Ọ kwadoro na agụmakwụkwọ na asụsụ bụ mkpokọba sitere n'asụsụ, maka na ebe asụsụ adịchaghị nke ọma, agamnihu na-alaghachi azụ. O were anya na anụmamụ ndị ọzọ dị ka oke, nkịta, ewu, pụsi, ehi, atụrụ, azụ, ele, mbe, mgbada nwere asụsụ. Hugo (2001) kwadoro na asụsụ bụ isi omenala mba ọ bụla. Mmadụ na-akọwa onwe ya site n'ịsụ asụsụ. Ya mere na ihe ka mkpa n'ihe niile mba nwere bụ asụsụs nke ha.

Asụsụ mmadụ ji too bụ ihe e ji mara ya na ndụ maka na ọ bụ ya bụ okwu o ji akpakọrịta ụka ebe niile ọ hụrụ onwe ya bido na nwata . Amasi (2007) na Ogenyi (2014) kwenyere na asụsụ so n' ọkpụrụkpụ ihe n'usoro mmadụ ji eto na ndụ. Nke a na-apụta ihe mgbe mmadụ na-amụ ka e si asụ na ịghọta asụsụ site n'echiche ma ọ bụ akọ na uche nke o nwetara site n'ihe ọ mara. Ọ bụ asụsụ na-egosi ihe dị iche n'etiti mmadụ na ụmụ anụmanụ ndị ọzọ.Ọ bụ ihe kachasị elu e ji amata mmadụ, ma bụrụ njirimara dị oke mkpa. Ibiowilisi (1999) kwadoro na asụsụ gbara mmadụ okirikiri site n'ebimndụ, ebe niile, na okwu ọnụ ma ọ bụ ebumnobi mmadụ. Ọ dị oke mkpa na ndụ mmadụ maka na o siri ike ịhụ ọnọdụ ọ bụla asụsụ abataghị na ya.Nke a mere na gọvụmentị ala Naijirịa(Federal Republic of Nigeria FRN,2004) kwadoro ma wube iwu na ọ bụ asụsụ epum ma ọ bụ asụsụ gburu gburu ebe onye bi ka a ga-eji akụziri nwata akwụkwọ nọ n'ogo agụmakwụkwọ ọtakara ihe n'ụlọ akwụkwọ dị n'obodo Naijirịa nke metutara asụsụ agbụrụ atọ mmadụ kacha n'ọnụ ọgụ : – Asụsụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Iwu a kwụsiri ike na ọ bụ asụsụ epum, ma ọ bụ asụsụ gburu gburu ebe onye ahụ bi ka a ga- eji n'akụziri nwatakịrị ihe n'ogo ọtakara nakwa afọ atọ izizi nwata ọ bụla n'ogo praịmarị. N'oge praịmarị afọ atọ izizi ahụ, a ga-akụzi asụsụ bekee dị ka otu n'ime sọbjekịtị a na-eme n'ụlọ akwụkwọ. Ọ bụ n'ogo ihe ọmụmụ a na-amụ na praịmarị nke anọ, ka a ga-ebido iji asụsụ bekee mụba ihe ọmụmụ. N'ogo sekọndịrị nta, iwu a kwukwara na a ga-akụziri nwatakịrị ọ bụla asụsụ gburugburu ya dị ka asụsụ mbụ (L1) ma kụziere ya otu n'ime asụsụ Naijirịa dị ka asụsụ nke abụọ (L2) n'ụlọ akwụkwọ. N'ogo sekọndịrị ukwu,a ga-ele otu n'ime asụsụ Naijirịa ndị a n'ule mpụga ukwu bụ West African Examination Council(WAEC) na National Fxamination Council(NECO). Amaghị ụtọ asụsụ Igbo nke ọma bụ otu n'ime ihe onye isi ule Igbo WAEC ( 2013, 2014,2015,2016) kọwapụtara dị ka ihe na-ebute ọdịda ụmụ akwụkwọ n'ule. Rodney (2002) kwadoro na ụtọ asụsụ dị mkpa n'asụsụ ọ bụla, nke mere na e kwesịrị ịmụ ya nke ọma. Vathan (2014) kwusiri ike na imeta nke ọma n'ụtọ asụsụ ọ bụla na-esite n'ịma iwu ụtọ asụsụ nke ọma. Crystal (2003) kọwara ụtọasụsụ dị ka ụzọ asụsụ si agwakọta na usoro ijikọ mkpụrụ okwu ma ọ bụ irighiri okwu iji mebe okwu

nwere nghọta pụtara ihe.Ọmụụ na-amụta usoro na ọrụ ụtọ asụsụ mgbe ọ na-amụtakwa mpụtara n'adịmire okwu ndị mmadụ ji ekwu okwu. Farrel & Lim (2005) nyochara ndị nkụzi Bekee abụa, na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ elementịrị na Singapore. Ndị nkụzi ahụ kwenyere n'usoro nkụzi ụtọ asụsụ dị oke mkpa n'ikụzi na ọmụmụ asụsụ. Gallo na Ranandya (2001) na nchọcha ha gosiri na ndị nkụzi, ikụzi ụtọ asụsụ dị ezigbo mkpa n'ọmụmụ asụsụ, ma ha na-egosi na ha tinyere usoro nkụzi mkpakọrịta n'ọrụ nkụzi ihe na klasị. Ụtọ asụsụ bụ sayensị na-ahụ maka usoro iwu asụsụ, ngalaba ya, imebe ahịrịokwu na usoro itinye ya n'ọrụ nke ọma. Ọ bụ ọkpụrụkpụ ngalaba nkụzi n'ọmụmụ asụsụ Igbo bido na praịmarị ruo na mahadum n'usoro agụmakwụkwọ. N'ọmụmụ asụsụ Igbo, e kewara ụtọ asụsụ na mkpụrụ okwu dị iche iche n'ogo Jụnịọ na Senịọ (NERDC 2009). Mkpụrụ okwu ụtọ asụsụ Igbo ndị a gụnyere (Na, ga, ka, ma) mọfịm, tensị, Aspekịtị, ụdaolu. Ndị NERDC (2009) kwadoro na ọ dị mkpa ikụzi ụtọ asụsụ ndị a n'asụsụ Igbo. Nke a bụ mkpụrụ asụsụ ngalaba ụtọ asụsụ nchọcha a na-eleba anya. N'ule ogo Senịọ Sekọndịrị WAEC, ụtọ asụsụ bụ mkpokọta 'pepa 1 na 2',ebe Pepa '1 na-elele ụmụ akwụkwọ n' edemede leta, aghọtaazaa na nchịkọta.

Hugo (2001) kwenyere na ụzọ dị ire n'ikụzi ụtọ asụsụ bụ site n'ụsoro nkụzi mkpakọrịta na klasị. maka na usoro a na-agba mbọ ime ka ọmụụ mụta asụsụ ọsọ ọsọ ma nwee ike ịkpọpụta okwu na-aga were were n'ọnụ oge niile na ebe niile. Nke a ga-enye aka ịkwalite mmeta nke ọma n'ụtọ asụsụ Igbo.

Usoro nkụzi mkpakọrịta (UNM) pụtara usoro ahụ na-egosipụta nkụzi n'usoro ebimndụ nke na-akpalite mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ usoro ahụ na-eme ka ọmụụ were mmụta ya tinye n'ọrụ site na mkpakọrịta ha na ndị ọzọ. Schulz (2006) kọwara usoro nkụzi mkpakọrịta dị ka ịbawanye n'ime ọmụụ ikike ikwukọrịta okwu n'asụsụ ọ na-amụ n'usoro ya, na ọ bụghị sọ n' ịkpọkọ okwu ụfọdụ. Schulz kọwara na e kwesịrị iwepụta oge buru ibu maka iji usoro nkụzi a rụọ ọrụ nke na-enyere ọmụụ aka inweta nka dị n'ịmụ ihe omume site n'otu o so na ya, dị ka igosipụta n'onwe ya, ikwupụta okwu ka o tosiri ịdị n'ebimndụ. Ihe ka mkpa ụmụ akwụkwọ ga-eme n'usoro nkụzi mkpakọrịta bụ ịtulekọ ụbụrụ n'isi okwu a na-amụ na klasị. Mkpakọrịta dị nnukwu mkpa maka ịmụ asụsụ n'ihi na a na-ahụ na ahịrị okwu niile a na-emebe ga-enye nghọta n'ihe a na-ekwu maka ya. Iloene (2007), Offorma (2002) na Eze (2009) kwadoro na usoro nkụzi mkpakọrịta dị ire n'ọnọdụ ọmụmụ asụsụ. Nghọta ndị nkụzi gbasara nke a ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka inwe mmasị na ya bụ sọbjekịtị nke ga-eme ka ha na-emetakwa nke ọma n'ule WAEC na NECO.

N'akụkọ, usoro nkụzi mkpakọrịta malitere site n'enweghị afọ ojuju ndị mmadụ gbasara usoro nkụzi ọdịnala a na-akpọ "Egemasụ", usoro ntụgharị ụtọasụsụ nke na-eme ka ụmụ akwụkwọ bụrụ ọnọ na klasị amaghị ihe a na-ekwu na nkụzi na ọmụmụ ihe.

Usoro nkụzi mkpakọrịta na-enye aka ikwukọrịta okwu. Swan (1985)

kwadoro na usoro nkuzi a na-enye onye nkụzi ohere ịkwadobe nkụzi n'ọnọdụ ụmụ akwụkwọ na-enwekarị na ndụ ha nke dị iche n'usoro egemasụ nke na-abụkarị ikwugharị okwu ugboro ugboro. Ọnọdụ ọmụmụ na-agbanwe ụbọchị niile nke sitere n'ịkpali mmụọ na mmasị ọmụụ ịkpakọrịta nkata n'ihe dị mkpa n'isi okwu. Klasị nkụzi mkpakọrịta anaghị adị jụụ, maka na ọ bụ ụmụ akwụkwọ na-emekarị ihe omume a na-eme na klasị. Ụmụ akwụkwọ na-ahapụ oche ha gakwuru ndị otu nke ya, ịrụ ọrụ na ịtulekọ ụbụrụ n'isi okwu e nyere ha. Site na mkpakọrịta, oke ọrụ dịịrị nwata ọ bụla ịchọta ọsịsa ihe omume a na-enye ha. Ọ na-eme ka ụmụ akwụkwọ kwụrụ chịm n'onwe ha, ma nwee ike iji asụsụ ha na-amụ kwụkọrịta okwu nke ọma. Andrews (2005) na Omeje (2008) kwadoro na nkụzi mkpakọrịta (UNM) metụtara ihe ndị ahụ na-agba ọmụụ ume ma mee ka ọmụụ kwuo okwu ma gee ndị ọzọ ha na ha na-emekọ ihe omume ntị. Rickert & Strohner (2008), Gallo & Renady (2001), Brown (2002), Canale & Swain (1980) gosiri na ihe kacha mkpa n'usoro mkpakọrịta (UNM) metụtara ịdị uchu, n'ịkpakọrịta nkata nke ọma site n'ịma iwu ụtọasụsụ nke ọma. Ọ na-enye ụmụ akwụkwọ ohere ime ka ha were mmụta ha tinye n'ọrụ. Wilkins (1983) hụrụ ebumnuche nkụzi mkpakọrịta (UNM) dị ka imepụta na inye mmadụ ikike imebe na ikwupụta okwu. Nke a na-enye aka akpali ọrụ akụkụ ụbụrụ dị mkpa nke na-apụta ihe n'ime ka mmadụ na-ekwupụta okwu were were nke abụghị nke a na-ahụ na mmekọrịta nkịtị. Rodney (2002) kwenyere na ikụzi ụtọ asụsụ dị mkpa ma dị ire naanị n'usoro ihe omume mkpakọrịta nke ga-eme ka ụmụ akwụkwọ mụta asụsụ ahụ nke ọma.

Schulz (2006), Offorma (2002), Igbenyi (2002), Omeje (2008) kwadoro na usoro nkụzi mkpakọrịta na-enye aka ịbawanye n'ime nwata ikike ikwu okwu na imụta ikwu okwu nke ọma site na- ịkpọpụta okwu na-aga were were n'ọnụ. Eze (2009) kọwara na ọmụụ ga-enweta ịsụ asụsụ nke ọma naanị mgbe ọ na-esonye n'ịkpakọrịta nkata n'asụsụ ọ na-amụ na klasị.

Ebe a, onye nchọcha na-eche na usoro nkụzi mkpakọrịta (UNM) ga-abụ ezigbo enyemaka n'ọnọdụ a maka na usoro na-agba mbọ ime ka ọmụụ mụta asụsụ ọsọ ọsọ ma nwee ike ịkpọpụta okwu na-aga were were n'ọnụ oge niile na ebe niile. Nke a ga-enye aka ịkwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọ asụsụ Igbo.

Nchọcha a kwenyere na usoro a dị ezigbo ire n'ikụzi Igbo Izugbe ọkachasị ụtọ asụsụ Igbo tara akpụ n'ọmụmụ. Nke a bụ maka na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ mara naanị asụsụ olundị ha nke mere na ha na-amụzị Igbo Izugbe ọhụụ. Mgbe ha na-akpọputa okwu, ha na-agwakọ tensị na ụda okwu n'ụzọ adabaghị nke ọma n'ahịrị okwu. Nke a na-ebute ọdịda na emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule Igbo n'ụlọ akwụkwọ, ọkachasị n'ule WAEC na NECO. Nke a pụtara ihe na repọtụ si n'aka onye isi WAEC Igbo 2013, 2014, 2015,2016 nke kwuru na mmeta nke ọma n'ule Igbo ụmụ akwụkwọ anaghị enye afọ ojuju. Ndụmọdụ onye isi ule Igbo WAEC (2013, 2014, 2015,2016 ) kwuru na ọ dị mkpa ime ka ụmụ akwụkwọ na-amụ

ide edemede mgbe ọ bụla ohere dịrị ha, site n'itinye akara kpọm, akara ụdaolu, rịkọm, na itinye iwu na ndinọgbara ụtọasụsụ,ya na ikụzi ọrụ mkpụrụ asụsụ dị ka na, ka, ga, ma n'ahịrịokwu ebe o kwesiri ịdị nke ga-eme ka edemede ha nwee nghọta ,ọmụma atụ-Ji na ede,Ọ bịara ka ọ hụụ ha,Ha ga-abịa echi,mmadụ niile bịara, ma nta na obere. Nke a ga-enye aka ịkwado ha maka ule nke ọma. Ha tụtakwara aro ịkpọkọba ọgbakọ asọmumpi ilu nke a ga-enye onye meriri onyinye agbamume. Ndụmọdụ ha metụkwara ụmụ akwụkwọ ige ntị na mmemme oge ndị Igbo na redio tinyere ịgụ akwụkwọ ọgụgụ na Jọnalụ asụsụ Igbo oge niile. Nke a ga-enye aka ịkwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ịmụ ụtọasụsụ Igbo. Onye isi ule WAEC Igbo (2013, 2014, 2015,2016 ) kwupụtara maka ọdịda na emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo, nke na ọtụtụ n'ime ha na-enwe nsogbu ideta Igbo Izugbe nke ọma, ma ya fọdụ ịsụpe okwu Igbo ha na-ede etu o kwesịrị. Hugo (2001) kwenyere na ụzọ dị ire n'ikụzi ụtọ asụsụ bụ site n'ụsoro nkụzi mkpakọrịta n'ọnọdụ ọmụmụ ihe na klasị,nke mere na e kwesịrị ịmụ ya nke ọma.Wofgang (2003) na atụtụ mmụgharị gbasara asụsụ epum kwadoro na asụsụ epum na-enyere ọmụụ aka ịmụta asụsụ nke abụọ ọsọ ọsọ. Nke a bụ maka na mmụta ọmụụ nwere na asụsụ epum na-enye ya ikike iguzoro chịm na onwe ya na iwere amamihe nke dị ya n'ụbụrụ tinye n'asụsụ ọhụụ ọ na-amụ na-enweghi nnukwu nhịaahụ n'ọnọdụ ọmụmụ ihe (Okorji 2014). Usoro nkuzi mkpakọrịta na-enye onye nkụzi ohere itinye usoro nkụzi dị ire na ọkpụrụkpụ n'ọrụ ikụzi asụsụ ọhụụ na klasị. Nke a pụtara ịkọwami, ịgụmi na ime ka nghọta dịrị ọmụụ mfe n'ọmụmụ asụsụ ọhụụ. Vathan (2014) kwusiri ike na imeta nke ọma n'ụtọasụsụ ọ bụla na-esite n'ịma iwu ụtọasụsụ nke ọma. Usoro onye nkụzi weputara ikụzi ihe na-enye aka ebe ọ dị ukwu ịkwalite mmeta nke ọma ọmụụ na ya bụ sọbjekịtị nke bụ ebe isi okwu nchọcha ọrụ a na-agbado ụkwụ. Ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha n'adịmiire usoro nkụzi mkpakọrịta na mmasi n'ideta ihe n'agụmakwụkwọ na ngalaba asụsụ Igbo nakwa ngalaba ndị ọzọ, mana o nweghi nchọcha emerela ma ọ bụ amara e mere na Naijirịa n'adịmiire usoro nkụzi mkpakọrịta n'ideta ụtọasụsụ Igbo. Nke a mere na nchọcha a dị mkpa. Nchọcha a chọrọ ịmata ka usoro nkụzi mkpakọrịta si akwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ sekọndịrị senịọ n'ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo. Nsogbu nchọcha a bụzị ịchọpụta ire usoro nkụzi mkpakọrịta dị na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị senịọ dị na zoon Edukeshọnụ Ubolo steti Enugwu. Naijirịa

Mbunuche nchọcha nke izugbe bụ ịchọpụta adịmiire usoro nkụzi mkpakọrịta (UNM) dị na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ideta ụtọasụsụ Igbo na zoon edukeshọnụ Ubolo.

**Ajụjụ Nchọcha**

Iji hụụ na nchọcha a mịtara mkpụrụ a tụrụ anya maka ya , onye nchọcha gbadoro ụkwụ n'ajụjụ a:

1. Gịnị bụ akara miin na ndinizugbe dị n'etiti ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo

n'usoro nkụzi mkpakọrịta na ndị nke e ji usoro nkụzi ọdịnala kụzie?.

**Ụmaokwu Nchọcha**

E nweghi ezigbo ndịmiche na miin na ndịnizugbe dị n'etiti ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkpakọrịta na ndị nke e ji usoro nkụzi nke ọdịnala kụzie.

Onye nchọcha gbasoro usoro nchọ nusoro mee nchọcha a. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ụmụ akwụkwọ sịnịọ SS2 dị narị anọ, iri asatọ na ise na kọleji gọọmentị steti nwee dị na mpaghara zonu edukeshọnụ Ubolo bụ ndị na-eme asụsụ Igbo. E ji tụmbọm tụmbọm họpụta ụmụ akwụkwọ dị otu narị, iri abụọ na ise n'ọnụọgụ. Usoro nkụzi abụọ e ji mee nchọpụta bụ usoro nkụzi mkparịta maka ndị nchọpụta nakwa usoro nkụzi ọdịnala maka ndị otu ejighi eme nchọpụta (ntunyere). Ụlọ akwụkwọ abụọ ndị a gụnyere Community Secondary School Obolo Afor dị iri isii na atọ n'ọnụọgụ na Commmunity Secondary School, Imufu Enugwu- Ezike dị iri isii na abụọ n'ọnụọgụ. E nyere Ụlọ akwụkwọ ndị e jiri mee ihe omume nchọpụta ule tupu na mbido nchọcha a, nakwa ule ndịmecha mgbe a kụzichara ha i ji chọpụta mmetadebe ha n'ụtọasụsụ Igbo. Nke a bụ site n'enyemaka ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ndị e ji eme ihe omume. Nke a bụ maka na onye nchọcha anọghị ebe ahụ n'onwe ya, ike ngwaa nchọcha. Nke a mere na onye nchọcha kụziri ndị enyemaka nchọcha, ya bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na –akụzi n'ụlọ akwụkwọ ndị a usoro e si eme ihe omume. Ọzụzụ ahụ gara n'ihu ruo ụbọchị abụọ n'ụlọ akwụkwọ abụọ ndị ahụ e ji mee nchọcha.

**Rịzọlt**

Nke a gbadoro ụkwụ n'ịhazi ihe onye nchọcha chọpụtara dị ka o si metụta ajụjụ nchọcha na ụma okwu nchọcha nke metutara akara miin na ndịnizugbe dị n'etiti ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkparịta na nke ọdịnala . Rịzọlt gosiri na ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkparịta (UNM) nwere ihe omume miin na ndịnizugbe (SD) dị elu karịa ebe ndị e ji usoro nkụzi ọdịnala (UNỌ) kụzie n'otu oge. Enwetara akara maakị miin ndịmiche maka ndị otu ihe omume karịa nke e nwetara maka ndị otu ntuzi aka e ji usoro nkụzi ọdịnala kụzie,

Nchịkọta data Agbamonwe (ANCOVA) ule mmecha ụmụ akwụkwọ n'utọasụsụ Igbo gosiri na e nweghị ezigbo ndịmiche dị n'akara miin dị n'etiti ndị a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkparịta (UNM) na ndị e ji usoro nkụzi ọdịnala kuzie.

Nnyocha tebulu gosiri na e nwere njikọta dị n'etiti ihe a gbakọtara maka ire UNM dị na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo . Ya mere na miin mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkparịta dị elu karịa ndị e ji usoro nkụzi ọdịnala kụzie, nke na-akwado ndị otu ihe omume mkparịta (UNM).

**Nchịkọta Nchọpụta**

Nchọpụta gosiri na usoro nkụzi mkparịta (UNM) dị ire na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo, maka na ndị e jiri usoro nkuzi nkparịta

kụzie nwere akara maakị dị elu n'ihe omume e nyere karịa ndị e jiri usoro nkuzi ọdịnala kụzie. Mbunobi nchọcha a bụ nke kpalitere site na mkpa ọ dị ịchọpụta, ma usoro nkụzi mkpakọrịta ga-enye aka n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo, ebe ọ bụ na ha na-adakarị n'ule ụtọasụsụ Igbo WAEC na NECO n'agbanyeghị usoro nkụzi ọdịnala e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ seniọ sekọndịrị.

Otu ajụjụ nchọcha na ụma okwu nchọcha n' usoro nchọ n'usoro ka e ji mee ya bụ nchọcha.Ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ SSII ndị gọvmentị nwee dị otu narị iri abụọ na ise (125) e si n'ụlọakwụkwọ abụọ ndị nwoke na nwaanyị họpụta na zonu Edukeshọnụ Ubolo, Steti Enugwu, Naijirịa ka e wepụtara maka ya bụ ọrụ nchọcha. Ụmụ akwụkwọ klasị abụọ dịkọrọ ọnụ ka e ji tum bọm tụm bọm họpụta n'ụlọ akwụkwọ abụọ ndị a, ma a họpụtakwara ndị e ji mee ihe nchọcha n'ọnọdụ ihe omume nakwa ndị ntuzi aka. Ndị otu ihe omume ka a kụziri n'usoro nkụzi mkparịta (UNM), ebe a kụziri ndị otu ntụzi aka n'usoro nkụzi ọdịnala (UNO). E mere ihe omume a izu ụka anọ, ma oge e ji kụzie ya bụ mgbe e nwere asụsụ Igbo n'oge nkụzi ụlọ akwụkwọ ndị ahụ.

Ngwaa nchọcha e ji kpokọta data bụ nzata ule edemede n' ụtọasụsụ Igbo (ENUI). Onye nchọcha mebere ngwaa nchọcha ndị a, nke ndị nkụzi si na ngalaba asụsụ Igbo, ngalaba edukeshọnụ nka, "mgbakọ na itucha" nyochara nke ọma. Ndị nkụzi a niile nọ na Mahadum Naijiria dị na Nsụka. E nyere ụmụ akwụkwọ ndị njirimee nchọcha ngwaa nchọcha ihe omume tupu na nke ndimmecha n'oge nchọcha.

A zara ajụjụ nchọcha site n'ịgbakọ akara nnweta miin ($\bar{x}$) ma jiri ha chọpụta adịmire dị n'etiti data ndị a e ji mee ihe omume na ndị ntụzi aka. A nwalere ụma okwu nchọcha n'usoro nkọwa nnyocha agbamonwe (ANCOVA). Nchọpụta nchọcha a gosiri na:

1. Ụmụ akwụkwọ a kụziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkụzi mkparịta (UNM) metara nke ọma karịa ndị a kụziri n'usoro nkụzi ọdịnala.
2. Usoro nkuzi mkparịta (UNM) dị ezigbo ire n'ikuzi ụtọasụsụ Igbo ma na-akwalitekwa mmete nke ọma, mkparịta ụka na imekọrịta ihe omume ọnụ n'etiti ụmụ akwụkwọ n'ihe ọmụmụ ya bụ sọbjekịtị.

**Atụmatụ**

**Site na nchọpụta nchọcha a onye nchọcha tụpụtara aro ndị a:**

1. Ndị nkụzi asụsụ Igbo ga-agba mbọ ịgbaso usoro nkụzi mkparịta dị ire, ma dị ezi mma n'ikụzi ụtọasụsụ Igbo, nke ga-enye aka ịkwalite mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule asụsụ Igbo.
2. Ndị Ministịrị edukeshọnụ ga-agba mbọ iguzobe ọgbakọ semina ebe a ga-ekpughere ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ uru dị n'itinye usoro nkụzi mkpakọrịta n'ọrụ.
3. Ndị gọvmenti ga-agba mbọ iwube labụ asụsụ ebe ụmụ akwụkwọ ga-eji igwe akọrọngwa na-amụ asụsụ site n'onyonyo kọmpụta n'ụlọ akwụkwọ kọleji maka ịkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo, nke ga-enye aka itinye ihe ha mụtara n'ọrụ.

**Nrụtụaka**


Amasi, S.T. (2007). An Igbo *civilization*, Nri kingdom and hegemony. Anthrographic http://www.books/google.com ụbọchị mbutu August 12, 2010.

Andrews, S. (2005).The Communicative Language Teaching *Police:* Questioning the communicative approach. *Modern English teacher,* 14. (2) ihu 80-85.

Brown, H.D. (2002). *Principles of language learning and teaching*. (Mbgh 4). New York. Longman Press.

Canale, M. Swan (1980). *Theoretical bases of communicative approaches* to 2nd language teaching & testing applied linguistics (1) 1 – 47, ụbọchị mbutu Septemba 29, 2010.

Crystal. D (2003). *English as a global language*: Cambridge University press.

Ekwudu, S. (1988). *Ụtọasụsụ ọgbarọhụụ maka sekọndịrị na College of Education* Ọnịcha Nigeriana Ed. Press.

Eze, R.I. (2009). Influence of juvenile delinquency on students' achievement in Igbo Language. Amụma nchọcha M. Ed University of Nigeria, Nsukka.

Farrel, T.S.C & Lim, P. (2005). *Grammar teaching*: A case study of teacher's beliefs and classroom practices na www.google.com/grammar.ụbọchị mbutu Mee 18.2015

Federal Republic of Nigeria (2004). *National policy on education* (mbgh 4) Lagos: NERDC Press.

Gallo, C. & Rennadya, P. (2001). *Na Grammar instruction and teacher's belief.* na www.googe.com/grammar. ụbọchị mbutu Jenuarị 9, 2014.

George, H.V. (1972). *Common errors in language learning*. Rarley: Newberry house.

Hugo, M, (2001), Gallo, C. & Ranandy, L. *Grammar instruction and teacher'*s belief.

Ibiowlisi, R.I. (1999). Nigerian language: A unifying factor. Na L.O. Arohunwlase *Nigeria language for nation development and unity Ibadan*. Volyem communication.

Ibru, M. O. (2008). *The influence of environment on the teaching and learning of African languages:* New York: Gulford press.

*National commission for colleges of education (2002)* minimum standards for Nigeria certificates in education arts and social sciences, (mbgh 3), ihu 101 – 113 Abuja.

Nuan, D. (1991). *Communicative language teaching*: The learner's view. Akwụkwọ a gụrụ n'ọgbakọ otu. RELC regional seminar: Singapore. 21-26.

Nguyen, T.C.L. (2005). *Criticising and responsing to criticism in a foreign language. A Study of Vietnamese learners of English. University of Auckland press, Auckland.*

Nigerian educational research and development council (2009). *Senior secondary curriculum Igbo language for SS 1-3,* Abuja: NERDC.

Offorma, G.C. (2002). *Communicative approach*. An innovation in teaching French. *International journal of Arts and technology education*1: 217 – 234.

Ogenyi, L .I na Agbo M .A. .(2014).Concord and Selectional Restrictions Rules . A Study of the English Verb System among Senior Secondary 11 Students in Nsukka Education Zone. *Nsukka Journal of Humanities* (NJH) Na www.nsukkajournalofthehumanities.No 22

Okorji, R.I.(2014) Study of Tone in Igbo Question:Owerre Sateite Diaect in View . *Nsukka Journal of Humanities* (NJH)Na www.nsukkajournalofthehumanities.No 22

Ogbodo, R.O. (2002). Effective study habits and examination guide ụbọchị mbutu 8/11 site na www.ajol.info/indeụ.php/ejc

Ohiri, A.C. (2008). Igbo Language in

danger. *Ndigbo journal:* Lagos; African fep publishers Ltd, vol. 2, ihu. 10 – 15.

Omeje, M.O. (2008). Effect of communicative language teaching on students' achievement on Igbo letter writing. *Amụma Ph.D.*, University of Nigeria, Nsukka.

Rickneit, G. & Stohner, H. (2008). *Handbook of communicative comptence*. Berlin: Mouton de gruyter printers.

Rodney, H. (2002). *The Cambridge grammar in English language*. Cambridge University University Press.

Schulz, R.A. (2006). Re-evaluating communicative competence as a major goal in post secondary language requirement courses. *Modern language journal 90 (2),* 252 – 263..

Swam, M. (1985). A critical look at the communicative approach (2) *ELT Journal* 39 (1), 2-12..

Vathan, F. (2014). *Grammar and grammar teaching*: changing perspectives, Cambatore – 641022. Tamilandu, India na www.screc.ac.in.

Wofgang, B.(2003). *Language learning journal,* Winter, No 28,29-39.

West African Examination Council – 2009, 2010, 2011, 2012, 2013. *Igbo Chief Examiner's Reports,* The West African Senior School Certificate May/June Examination, Lagos: WAEC